Journal of College of Languages and Communication Arts Education, Lagos State University of Education.

VOL 1, NO 1. AUGUST 16, 2022- ISSN: 2971-5067

# USORONKUZI ASỤSỤ IGBO N'ULỌAKWUKWỌ PRAỊMARỊNA SEKONDỊRỊ NAỊJỊRỊA: IHE A GA-EME WEE MEJUPUTAYA-NA KLAASI

Dom-Anyanwu, Ngozi L.(Ph.D)

D.O.I: 10.5281/zenodo.8284955

**ỤMỊ EDEMEDE**

Edemede a lebara anya n'usoronkuzi (curriculum) asụsụ Igbo n'ụlọụakwụkwọ primarị na sekọndịrị nke Naijirịa. Ọ Kọwara ka usoronkuzi asụsụ Igbo, Hausa na Yoruba siri malite n'ụlọakwụkwọ primarị na sekọndịrị Naijirịa bụ nke bụ otu n'ime mpụtara nzụkọ nke e mere n'afọ 1969 a kpọrọ "National Curriculum Conference" n'asụsụ bekee. Odee edemede a gara n'ihu depụta ma kọwakwaa usoro nkuzi (teaching methods) dị iche iche bụ nke ndi-nkuzi nankuziasụsụ Igbo ga-agbaso ka nkuzi ha wee gaa were ware ụfọdụ n'ime ha bụ ndịa: usoro ke
ekere, usoro ke egwuregwu, usoro ke nkọrịkọ dzg. O deputa kwara ọtụtụ ọmụmụ asụsụ Igbo naenwen'ụlọakwụkwọ ndịa nke ụfodụ n'ime ha bụ, enweghị ọtụtụ nsogbu ndi nkuzi, omume ndịnne no nna, akparamagwa ụmụakwụkwọ na onwe ha, omume ndi gọọmenti na nke ndị ọkammụta n'ala Igbo. Ọ gakwara n'ihu wee deputa mgbochi nsogbu ndịa. Na mmechi, edemede a na-akọwa na ọ bụrụ na ndinkuzi na-akuzi Igbo etinnye uchu n'usoro nkuzi ndị e deputara ma kọwaa na-edemede a, ya na ọ bụrụ na nsogbu ndi edeputara ebe a abia na mgbochi,usoronkuzi (curriculum) asụsụ Igbo ga-abịa na mmezu na praimarị na sekọndirị Naijirịa.

**OKWU NDI GBARA ỌKPỤRỤKPỤ:** *Asụsụ Igbo, Praimarị, Sekọndirị, Usoronkuzi, Usoro nkuzi*

**ABSTRACT**

This paper looks into the Igbo Language curriculum for primary and secondary schools in Nigeria. It explains how the curriculum of the three major Nigerian languages; Hausa, Igbo and

Yoruba came to be as a result of the 1969 National Curriculum conference.The paper went further to look into the different methods of teaching Igbo in Primary andSecondary Schools which can help in the successful implementation of the curriculum. Most ofthe methods include: Direct translation, Audio-lingual, playway and code-switching. Theproblems which Igbo Language teachers encountered were also looked into, thus; Attitude of theparents, shortage of Igbo teachers, lack of instructional materials, no funding from thegovernment and the attitude of the elites. The paper also proffers some solutions to theenumerated problems. It concludes that if the above teaching, methods and the solutions to the problems are taken care of that the curricular of Igbo language in primary and secondary

schools in Nigeria would be successfully implemented.

**Keyword: Curriculum, Igbo Language, Primary, Secondary, Teaching Methods.**

## MMALITE

Iwu asụsụ bụ iwu jigidere ụzọ e sị eji asụsụ arụ ọrụ n'obodo moọbụ n'ala ọbụla. mmalite iwu asụsụ dị otu a na Naijirịa dịka obodo nwere ọtụtụ asụsụ sitere n'aka atumaatụ nke si n'aka PhelpsStoke n'afo 1922, bụ nke kwuru na a ga-eji asụsụ agbụrụ ọbụla na-akaziri ụmụakwụkwọ nọ naclaasị praịmarị nta.Nkowapụta ndi UNESCO n'afo 1953 nke kwuru na a ga-akụziri ụmụakwụkwọ ndi praịmarị iheọmụmụ niile site n'asụsụ nne ha nyeere ntụziaka Phelps Stoke aka nke ukwu (Dom-Anyanwuand Iwuale, 2010:1). Kaosinadị, agbụrụ dị iche iche na Naịjiria nyere mkpebi ndịa nghọta dịiche iche maka-etu o siri gbagwoju ha anya. Ndi Hausa malitere iji asụsụ ha na mbaghara'ugwu', ndị Igbo mitere iji asụsụ Igbo na mpaghara 'Ọwụwa anyanwụ' ebe ndi Yoruba malitereiji asụsụ Yoruba na mpaghara "ọdịda anyanwụ". Nke a mere o jiri dị nmukwu mkpa na a gaenweiwu jikọtara asụsụ Naijirịa niile bụ nke ndị bekee kporo (indigenous language policy).

Nkekachasi mkpa ịrụtu aka bụ na agwa agbụrụ ndị a (Hausa, Igbo na Yoruba) kpasoro ntuzi aka

asụsụ nke Phelps Stokes abughị nke ga-eweta udo na idinotu n'etiti ha kama ọbụ nke ga-ebute

ntisa n'etiti ndi Naijirịa.

N'afo 1969 e nwere nzụkọ ntule uche n'ala Naijirịa bu nke ndi otu Nigerian Educational Research Council (NERC) nke a na-akpọzị Nigerian Educational Research and Development Council (NERDC) ugbua hiwere ma kwadokwa n'ụzọ ọbụla, bụkwa nke ndi niile ọmụmụ naanụọkụn'obị ma ndị mmepụta ọmụmụ biara. Ebe a ka ha nọrọ kwuo ma kpebie ihe ndị ga-abaraobodo anyị na ụmụakwụkwọ uru n'ogo mmụta ọbụla, etu a ga-esi gboo mkpa ndị e nwere nammụta wee nwee ike weputa kọrikulum nke ga-abara obodo Naijirịa na ụmụakwụkwọ n'onweha uru. Ọgbakọ ntule-uche a bụ iji mee ka ọmụmụ agụmakwụkwọ wee baara ndi na-amụ ya naobodo ha uru. Bụkwa nke ga-enye aka na-ichekwa omenala na asụsụ anyị bụ Naijirịa (FRN,2013).

Mkpebi niile e mere na nzukọ ntuleuche a pụtara ìhè n'akwụkwọ ukwu a kpọrọ *National Policy* on Education, nke bụ nke e biputara n'afo 1977, ma degherịa ya n'afo 1981, 1998, 2004, 2008, na 2013. Nke a bụ akwụkwọ ọrụ nke izizi ndi goomenti weputara banyere agụmakwukwọ n'ala Naijirịa. Otu ihe putara ihe na akwụkwọ ọrụ a bụ atuziaka maka ọmụmụ asụsụ na omenala Naijirịa. Akwụkwọ a kpebiri:

(1) Ọ sịrị na nkuzi niile a na-eme na praịmarị nta ga-abụ site n'ụsoro asụsụ ara nne maọbụ asụ agbụrụ nwataakwụkwọ. Nke a ga-eme ka ụdọ na ịdị n'otu dị n'etili ndị Naijirịa.
(2) Iji mee ka mmekorita, nkwekọrita na ijị kwado omenala Naijirịa dị iche iche, ha kpebiri na a ga-akụzi asụsụ Hausa, Igbo na Yoruba n'ụlọakwụkwọ sekondarị dịka asụsụ nke mbụ na asụsụ nke abuo (NL1 & NL2). Ha sịrị na nwato ọbụta ga-amụ asụsụ agbụrụ ya dịka asụsụ nke Naijirịa nke mbụ (NL1) ma mụọkwa otu n'ime asụsụ abụọ ndị ọzọ dịka asụsụ Naijirịa nke abụọ (NL2) ma ọbụru na enwere ndị nkuzi ga aguzi ha. (FRN,2013)

Ka e weputachara akwụkwọ ọrụ nke agụmakwụkwọ n'ala Naijirịa, nkuzi ọmụmụ asụsụ Igbo dika asụsụ Naijirịa nke abụọ malitere n'afọ agumakwukwo 1982/1983. Ọbụ Ntuaziaka a mere ọmụmụ asụsụ Igbo jiri pụta ihe na kurikulum ndị praimarị na ndị sekondrị Naijirịa. Dika asụsụ

nke mbụ (NL1) na asụsụ nke abụọ (NL2) (Dom-Anyanwu, 2016).

Obanya (1985), kwenyere na mbunuche ọmụmụ ọbụla na-aba uru ma a mara sụgharịa ya nke ọma na klaasị mgbe a na-akuzi ya. Ihe nke a pụtara bụ na nkuzi na ọmụmụ asụsụ na omenala Igbo agaghị ndị ire ma ọbụrụ na ndị nkuzị na-akuzị ya agbasoghị usoro dị mma. Maka na nmejuputa kurikulum ọbụla dị n'aka ndị nkuzi bụ ndi na-eme ka mpụtara kurikulum ọbụla pata

ihe ma nwee nghọta.Dom-Anyanwu (2016) sịrị na "ndị-ikuzi bụ ndi chi Igodo nkuzi na ọmụmụ ọbụla n'ụlọakwụkwọ;ewepu he, nkuzi na ọmụmụ agaghị enwe isi". Ọ gakwaran'ihu si na usoro nkuzi bụ ụzọ niileonyenkuzi na-agbaso wee akuzi nkuzi ya na klaasị, bụ ndị na-eme ka mmụta dị mfe. Onyenkuzina-me ihe dị iche iche ka nkuzi ga were were, kammụta wee dịmfe, dịka, ikwụokwu, ịkụ aka,igba egwu, ijụ ihe ọgụgụ, imeputa ihe na nkwago dụ nke ụmụakwụkwọ ga-esonye na ya ijingwa nkuzi dị iche iche wee kụziere ụmuakwụkwọ dzg. Ihe ndị a bụ usoro nkuzi ya. Ihe nke apụtara bụ na usoro nkuzi bụ ụzọ dị iche iche onyenkuzi ọbụla na-agbaso bụ nke ga-eme ka omejupụta mbunuche nkuzi ya ma mekwaa ka ụmụakwụkwọ mụta ihe ọ na-akuziri ha. Usoronkuuzi bụ otu n'ime ihe na-eme ka nkuzi na ọmụmụ asụsụ na omenala Igbo n'ụlọakwụkwọprimary na sekondirị dị mfe n'ala Naijirịa. Enweghị asụsụ ọbụla a ga-akuzi nke ọma naagbasoghịusoro nkuzi dị mma.

**Asụsụ Igbo dikasụsụ Naijirịa**

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ a maaraama nwere ugwụ n'ala Naijirịa. Ndị na-asụ ya karịrị

nde mmadụ iri abụọ. Ọtụt n'ime ha si Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu, na Imo simpagbara Steeti

Delta, mpagbara Steeti Cross River nampagbara Steeti Rivers. Asụsụ Igbo nọ n'alaka "New Benue Congo (NBC) Ke agbụrụ asụsụ Niger Congo. (Niger Congo Language family).

Ọbụ na senchori iri na ịtolu (19th century) ka e deturu asụsụ Igbo nke izizi site n'aka ndi ozi ụka

(missionaries). Ọ bụ eziokwu na asụsụ Igbo siri n'aka ndị ọcha ndi mgbasa ozi ụka wee hụ ụzọ

ma nsogbu asụsụ Igbo nwere rue taa bụkwa n'aka ndị ọcha ahụ ka ha siri bịa site n'ụzọ aghụghọ

nke ha siri tughata ndị Igbo ụfọdụ (Ikekeonwu, 2005).

Ha nwere otografịị abụọ nke ochie na nke lepsus bụ ndị ha jiri rụọ ọrụ ntoghata na mgbasa ozi ha, bukwa ndi ha jiri dee akwụkwọ nsọ (Bible). Mana ndọrọndọrọ ọtọgrafịị ndịa bịara n'isi njedebe mgbe ndi otu ikwalite asụsụ na Omenala Igbo bidoro bụ nke Maazi Chidozie Fedrick Ogbalụ bụ onye larala mmụọ hiwere n'afọ 1949. SPILC na aha ichafu bekee nwere mbunuche dị iche iche:

(a) Ikwubi ndọrọndọrọ ọtọgrafịị

(b) ikwalite ọmụmụ asụsụ na omenala Igbo n'ụlọakwụkwọ.

(ch) Ime ka asụsụ Igbo bụrụ asụsụ mmekọrịta.

(d) Ibipụta akwụkwọ Igbo ma chikọta agụmagụ ọnụ ndị Igbo.

(e) Iwechighata usoro obibi ndụ ndi Igbo.

(f) Ihọpụta ndị ga-edeputa dishọnarị Igbo.

(g) Ikwalite mmemme ndi Igbo dị iche iche.

Ọbụ ndi otu SPILC hiwere kọmitii a kpọrọ Ọnwụ kọmitii maka na aha onyeisi kọmitii ahụ bụ Maazi S.E. Ọnwụ. Ndi komitii a wepuru ọtọgrafịị abụọ ndị ahụ wee weputazie nke ọhụrụ bụ nke gbadoro ụkwụ na ọtọgrafịị ndi ochịe. Ndi otu SPILC wee hazie ha nke ọma wee kpọọ ya ọnwụ ọtọgrafịị bụ nke e ji ede asụsụ Igbo taa dika asụsụ izugbe. Ọbụ ọtọgrafịị Ọnwụ wetarandọrọndọrọ otografịị n'ala Igbo n'isi nkwusị. Ọ bụ kwa ya ka a na-eji ede akwụkwọ Igbo niile na ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo.

A na-amụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ primary na sekondari Naijirịa. dike asusu Naijirịa nke mbu na nke gbụọ (NL1 & NL2).

**MBUNUCHE EDEMEDE A (The Objectives of the Study)**

Mbunuche edemede a gunyere ndịa:

Ka ndị nkuzi mata na praịmarị na sekondịrị Naijịrịa nwere usoronkuzi (curricular) edeputara maka ikuzi Igbo. (To expose the Igbo language teachers on the primary and secondary curricular for Igbo language)

Ka ndinkuzi mata usoro nkuzi di iche iche e ji akuzi asụsụ Igbo (Exposing teachers to

different methods of teaching Igbo).

- Ka ha mata na-enweghi usoro nkuzi kacha ibe ya mma. (To let teacher know that there is no best teaching methods).
- Ka ha mata na-enwere usoro nkuzi dị iche na nkuzi Igbo dịka L1 na L2. (To let the teacher know there are different methods in teaching IgboL1 and IgboL2)
- I deputa nsogbu ọmụmụ asụsụ Igbo nwere na ụzọ a ga-esi gbochie ha.(To x-ray the problems the Igbo language teachers encounter in teaching the language as well as the proferred solutions).

**USORO NKUZI DỊ ICHE ICHE MAKA NDỊ PRAỊMARỊ NA SEKỌNDỊRỊ NAỊJỊRỊA (Teaching Methods)**

Nke a bụ usoro onyenkuzi na-agbaso wee kuziere umuaka nọ na praịmarị na sekondịrị asụsụ Igbo ka ha wee ghọta ya nke ọma. E wee usoro nkuzi di iche iche. Onyenkuzi asụsụ Igbo ọbụla kwesiri ima ụdịdị usoronkuzi dị iche iche ma marakwa etu ọ ga-esi were ha arụ ọrụ. Ọ na-ewutu m na ụfọdụ ndinkụzi amaghị nke ha riri ma a bịa n'ihe gbasara usoronkuzi na-etu e si eji ha arụ ọrụ na klaasị naanị ihe ndinkuzi dị otu a maara bụ nzuodee na ugboojii. Nke a na-egosi na ụfọdụ ha amughị asụsụ Igbo na ka esi akụzi ya n'ụlọakwụkwọ dị elu dịka koleeji mmụta ukwu na mahadum. Otu ihe ndinkuzi asụsụ Igbo ga-amata banyere nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ aimarị na sekondịrị bụ na enweghị usoronkuzi ọbụla kachasị ibe ya mma. Usoronkuzi ọbụla onyenkuzi jiri mee ka mmụta dị mfa ma ga were were bụ ezigbo usoronkuzi.

Onyenkuzi asụsụ Igbo ga na-enye umuakwụkwọ ya ohere ka ha na-asụ asụsụ Igbo na klaasị. Ọ ga enye ha ohere ka ha na-ekwu okwu na klaasị. Ọ ga-akpalite mmụọ ha nkeoma ka ha ghara idamba. Ya na ụmụakwụkwọ ya ga na-emme mkparitauka n'okwu Igbo oge ọbụla. Ọ ga na-enweihu ọchị mgbe niile ma na-enyekwa ha ọsịsa n'iheomume o nyere ha-mee. Ọ ga na-akuziri hasite n'a ihe ndi dị mfe wee rue na ndi tara akpụ site n'ihe ha mabu ama wee rue na

nke ha naamaghi,Ọ ga-agbado ụkwụ n'okirikiri ebe ha nọ wee na-ajụ ha ajụjụ. Ọ ga na-ajalite mmụọ ha
ma ha zaa ajụjụ nke ọma ma kwalitekwa mmụọ ha mgbe ha na-azataghị ajụjụ nkeoma. Nke a ga
eme ka ha ghara ida mba n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Usoronkuzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praimarị na sekondịrị gụnyere ndịa:

**Usoro ke ekere (Direct method):** Nke a bụ usoro onyenkuzi, na-agbaso wee na-akụzi Igbo naetinyeghị
asụsụ ọzọ. Ọ bụ iji asụsụ Igbo akuziri ndi na-amụ asụsụ Igbo. Nke a na-adị ire ma
onyenkuzi nwee ike na-etinye mmegharị ahụ dị iche iche, ma nyekwa ụmụkwụkwọ ohere ka ha
nwee mgbụta n'ụzọ nke aka ha na-abughị n'ụzọ mmanye. Onyenkuzi ga-agbaso usoro a site naijingwankuzị dị iche iche bụ nke ga-enyere ụmụakwụkwọ ahụ aka na mmụta ha.

**Usoro ke Nkọrịnkọ (Discussion method):** Usoronkuzi a na-eme ka ndinkuzi nye ụmụakwụkwọ
ohere ka ha sonye na nkuzi na ọmụmụ na klaasị. Obanya (1985) sịrị na ọbụghị naanị na ụmụakwụkwọ na-esonye na ihe a na-akuziri ha, na usoronkuzi a na-emekwa ka mmekorita na mkparịtaụka na-aga nke ọma site n'aka onyenkuzi rue na nke ụmụakwụkwọ.

Onyenkuzi ga na-agagharị no klaasị wee chọpụta na enwere nsogbu ụmụakwụkwọ nwere bụ nkeọ ga-enye aka wee dezie. N'ikpeazụ, onyenkuzi ga-agwa ha ebe ha na-emetaghị nke ọma maduziakwa ha ụzọ na ha.

**Usoro ke Egwuregwu (Play-way method):** Usoro a na-eme ka ụmụakwụkwọ sonye n'ihe a naakuziriha bụkwa nke na-eme ka ha ghara ịghọ aghụghọ. Nke a na-adị mma ikuzi asụsụ na agụmagụ Igbo. Usoro nkuzi a na-amasi ụmụakwụkwọ nke ukwu n'ihi na ha hụrụ egwuregu n'anya.

**Usoro ka nsụgharị Ụtọsụsụ (Transilation method)**: Usoronkuzị a kachasị mma iji kụziere ndi
na-amụ asụsụ Igbo dika asụsụ nke abụ (NL2). Ọ na-akọwa maka ihe ndi dị mkpa n'asụsụ Igbo.
Nke a bụ maka imụ asụsụ ọbụla dịka asụsụ nke abụọ bụ ihe mmadu kpacha anya ya wee na amụsịte na-itinye uchu.

**Usoro ke mmakorita Nkwukọrịta (Discussion method):** Usoro a dị nnukwu mkpa na-ikuzi

asụsụ Igbo dika asụsụ nke mbụ na asụsụ nke abụọ. Ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ na-ekwukoritara onwe ha okwu na klassị na n'ebe ọbụla ha hụrụ onwe ha. Nke a bụ maka na ọ bụ site na nkwukorita ụka ka asụsụ si eto, onyenkuzi ọbụla ga-agba mbọ iji usoro nkwukọrịta ụka wee naakuziriụmụakwụkwọ ya na klaasị n'ogo nkuzi ọbụla.

**Usoro ke kodu Suwiichi (Code-Switching method)**: Usoro a bụ usoro onyenkuzi na-eji kuziere ụmụakwụkwọ ya mgbe ya bụ onye nkuzị na-ụmụakwụkwọ nwere ike ighọta asụsụ abụọ ha na-asụ na klaasị. Onyenkuzi na ewebata asụsụ ọzọ bụ nke ụmụakwụkwọ ya ga-aghọta na nkuzi ya iji wee kuziere ha ihe tara ha akpụ n'asụsụ nke ha na-amụ maọbụ iji wee kọwaara ha ihe ha na-aghọtaghị nke oma na asụsụ ha na-amụ bụ nke ndị bekee na-akpọ (target language) n'asụsụ bekee. Mgbe onyenkuzi mechara nke a, ọ ga-echigha azụ n'asụsụ nke ọ jibu akuzi nkuzi ya.

**Usoro ke Odio-lingwual (Audiolingual method):** Nke a na-agbado ụkwu na-nkuzi asụsụ Igbo site na mkparita ụka. Usoro a na-eme ka ụmụakwuụkwọ kwu gharịa ma mụgharia ihe ha na-anụ ugboro ugboro bụ nke ga-enyere ha aka ighụta ha nkeọma ma gharakwa ichefu ha ọsọọsọ. Onyekwuzi asụsụ Igbo ọbụla ga-agba mbọ iji usoro a akuzi nkuzi ya ka ụmụakwụkwọ nwee ike sonye n'ihe ha na-amụ.

**Usoro ke ogbe (Community method)**: Nke a bụ usoro na-eme ka ụmụakwụkwọ sonye na ihe onyenkuzi ha na-akuzị site n'ibute uzọ kwuo ihe ọ chọrọ ịme n'asụsụ ọmụmụ. Nke a na-enyere mmụta aka nke nkwu ọkọchasị na ndị na-amụ asụsụ Igbo dike asụsụ nke abụọ.

**Usoro nkuzị ndị ọzọ gụ nyere:** Usoro njem nleta (Excursion method), usoro ke ajụjụ (question method) usoro ke ụgwara (Eclectic method)

Usoro nkuzị niile ndịa e deputara na kọwasi ha ga-adị ire ma ọbụrụ na onyenkuzi, ụmụakwụkwọ

na ihe ọmụmụ nwee ike mekọrịta nke ọma site na-iwebata ihe ndị ọzọ ahụ na-enyere onye nkuzịaka na nkuzi ya. Dika, Omume ndi nne na nne, Omume ndi goomenti, aikparamegwa ndi isiuloakwuko, mmasị ụmụakwụkwọ, Omume ndi okammuta (Elites), inwe ngwa nkazi dị iche iche,ụlọ ọkpụ na ụlọ omemala Igbo, mkpalite mmụọ ụmụakwụkwọ na ebe ụlọakwụkwọ nọ.

**Nsogbu a na-enwe na-ikuzi asụsụ Igbo**

Nkuzị asụsụ Igbo nwere nsogbu dị iche iche na priamarị na sekondirị Ha bụ ndịa:

- Enweghị ndinkuzi zuru oke
- Enweghị ndinkuzi a zụrụ nke oma n'asụsụ na omenala Igbo.
- Agaghị nzuko ntule iche (seminar & conference)
- Ejighị nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo kpọrọ ihe.
- Mmegide omumu asụsụ bekee na-megide omumu asụsụ Igbo
- Enweghị ngwankuzi zuru oke ma o bụ ndi dị iche iche.
- Iwepu onyenkuzi site na mbugharị ndi ọrụ (transfer)
- Mgbanwe ndi nkuzi
- Enweghị ọtụtụọ akwukwo Igbo
- Agaghị njem nleta.
- Ndi nkuzi Igbo ụfọdụ amaghị ndị iche dị n'etiti IgboL1 na IgboL2
- Ufodu ndi nkuzi Igbo anubeghị Igbo korikulum mbụ.
- Ụfọdụ ndi nkuzi na-akuziri ndị L1 na L2 site n'igbaso otu usoronkuzi.
- Enweghị nkwado ndị nnee na nna, na ndi goomenti.

**Mgbochi Nsogu:**

- Ndi goomenti ga-achọta ndi nkuzi dị ọtụtụ na-nkuzi asụsụ na omenala Igbo.
- A ga-ewebata ndị mụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ukwu ka ha na-akuzi Igbo.
- Onyenkuzi Igbo ọbụla ga-enwe korikulum ọmụmụ asụsụ Igbo.
- Ndị goomenti na ndị isiuloakwukwo ga-agba, mbọ weta ngwa nkuzi e ji akuzi Igbo ebe o zuru ka.
- Ndinkuzi Igbo ga na-aga nzụkọ ntule uche kwa oge kwa oge.
- A ga-enwe nzukọ nkọwa nke IgboL1 na IgboL2 ka ndi nkuzi Igbo wee ghọta ha nke ọma.
- Ndi nne na nna, na ndị okeo mmụta ga-agba mbọ na-akwado ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọkachasi n'ebe ụmu ha nọ. Nke a ga-eme ka ụmụ aka ha nwee mmesi n'ọmụmụ ya bụ

asụsụ, bụkwa nke ga-enyere ha aka imata agbụrụ ha si pụta ma matakwa omenala ndi be ha. Biko aka anyi gbakolatanụ ọnụ nyụọ maamịrị ka o wee gbaa ụfụfụ. Asụsụ anyị agaghị anwu. Igbo ga-adị.

**MMECHI**

Ọbụrụ na ndinkuzi na-akụzi asụsụ Igbo na praimarị na sekọndịrị Naijịrịa etinye uchu n'usoro nkuzi ndị a edeputara ma kọwa n'edemede a, ma werekwa ngwa nkuzi dị iche iche kụziere ụmụakwụkwọ ha, ọmụmụ asụsụ Igbo ga-aga were were na klaasi. Ọzọkwa, ọ bụrụ na enwee ezigbo mgbochi na nsogbu ndi e deputara ma kọwaakwa n'ederede a, usoronkuzi (curriculum) naọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịrị nke Naijịrịa ga-abịa na mmezu. Ọ
gaghị abuzi naanị n'akụkọ na n'akwụkwọ ka a ga na-ahụ ya.

Nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo aburego ihe kwu chịm n'uloakwụkwọ priamarị na sekondịrị Naijirịa. Dike otu n'ime asụsụ atọ ndị a mara amara na Naijirịa, mbunuche nkuzị asụsụ Igbo na
priamarị na sekondịrị agaghị abia na mmezu ma ọbụrụ na-enweghị ndinkuzi rijụrụ afọ na nkuzi
ya bụ asụsụ. Ikwu maka naanị usoro nkuzị agaghị eduba na-ịmụta asụsụ Igbo nke ọma. E nwere
ihe ndị ọzọ dị mkpa dịka, omume ndi goomenti, ndi nne na nna, ndi ọkammuta, ngwa nkuzi na
ntinye uche ndinkuzị na umuakwụkwọ gakwa enyere usoro nkuzi onyenkuzi aka ka ọmụmụ na
nkuzị asụsụ Igbo n'uloakwụkwọ priamarị na sekondịrị Naijirịa gaa were wee ma tọọkwa atọọ mameekwa ka usoronkuzi (curriculum) prịamrị na sekondịrị bịa na mmejuputa.

**EDENSIBỊA**

Dom- Anyanwu, N.L. and Iwuala, Z. (2010:1). "The NL2 and the Teacher: The Igbo Example''
*EUP International Journal of Education and The Social Sciences*, Vol.2 No.2.

Dom-Anyanwu, N.L. (2016). ''An Evaluation of Igbo Second Language Curriculum Implementation in Lagos State Junior Secondary Schools '' An Unpublished Ph.D. Thesis. Lagos State University Ojo.

Dom-Anyanwu, N.L. (2007). *Essentials of Language Learning.* Lagos: Cyprus Publishers.

Emenyonu, C.O.(2003:43)."Igbo Teaching in Igbo States" in *Nigerian Language Studies* No.1.

Federal Republic of Nigeria (2013). *National Policy on Education*. Lagos: NERDC.

Ikekeonwu, C. (2005). *Igbo Language Development intrigues, palliatives and solutions*. Enugu: Ikenga Publishers.

Obanya, P.A.I. (1985). *General Methods of Teaching*. Lagos: Macmillan.